# IKPÉ NKE MBA NIILE

## Aisaia 11:10-16; Matiu 25:31-46; Luk 19:11-27; 22:28-30;

## Ndi Filipai 2:9-11; Nkpughe 20:1-6

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 167

### Nke NdỊetiti na Nke NdỊokenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ezie asim unu, ka ọ ra bú otú unu si me ya nye otù nime umu-nnam ndia, bú ndi dikarisiri ntà, Mu ka unu mere ya nye" (Matiu 25:40).**

**"Ma mgbe ọ bula Nwa nke madu gābia n'ebube-Ya, Ya na ndi-mọ-ozi nile, mgbe ahu ka Ọ gānọkwasi n'oche-eze nke ebube-Ya;**

**"Ma n'iru Ya ka agēme ka mba nile zukọ: Ọ gēkewputa kwa ha, otù n'aru ibe-ya, dika onye nāzu aturu nēkewaputa aturu n'umu ewu.**

**"Ọ gēdebe kwa aturu n'aka-nri-Ya, ma umu-ewu n'aka-ekpe.**

**"Mgbe ahu ka Eze ahu gāsi ndi nọ n'aka-nri-Ya, Bianu, ndi agọziri agọzi nke Nnam, ketanu ala-eze edoziworo unu site na ntọ-ala nke uwa:**

**"N'ihi na agu gurum, unu we nyem ihe M'gēri: akpiri kpọrom nku, unu we kuru miri nyem: abum ọbia, unu we kpọbatam;**

**"Agbam ọtọ unu we gbokwasim ákwà: aru adighm ike, unu we letam: anọm n'ulo-nkpọrọ, unu we biakutem.**

**"Mgbe ahu ndi ezi omume ahu gāza Ya si, Onye-nwe-ayi, òle mge ayi huru Gi ka agu nāgu gi, ayi we zùa Gi? Ma-ọbu ka akpiri nākpọ gi nku, ayi we kuru miri nye gi?**

**"Òle mgbe ayi hu-kwa-ra Gi ka I bu ọ bia, ayi we kpọbata Gi? Ma-ọbu ka I nāgba ọtọ, ayi we gbokwasi Gi ákwà?**

**"Òle mgbe ayi hu-kwa-ra Gi ka aru nādigh ike, ma-ọbu n'ulo-nkpọrọ, ayi we biakute Gi?**

**"Eze ahu gāza kwa, si ha, N'ezie asim unu, ka ọ ra, bú otú unu si me ya nye otù onye nime umu-nnam ndia, bú ndi dikarisiri ntà, Mu ka unu mere ya nye.**

**"Mgbe ahu Ọ gāsi kwa ndi nọ n'aka-ekpe Ya, Puanu n'irum, ndi anābu ọnu, ga n'ọku ebigh-ebi ahu nke edoziworo nye ekwensu na ndi-mọ-ozi-ya.**

**"N'ihi na agu gurum, ma unu enyeghm ihe M'gēri: akpiri kpọrọm nku, ma unu ekugh miri nyem:**

**"Abum ọbia, ma unu akpọbataghm; agbaram ọtọ, ma unu egbokwasighm ákwà; aru adighm ike, anọkwam n'ulo-nkpọrọ, ma unu eletaghm.**

**"Mgbe ahu ndi ahu gāza kwa, si, Onye-nwe-ayi, òle mgbe ayi huru Gi ka agu nāgu Gi, ma-ọbu ka akpiri nākpọ Gi nku, ma-ọbu ka I bu ọbia, ma-ọbu ka I nāgba ọtọ, ma-ọbu ka aru nādigh Gi ike, ma-ọbu ka I nọ n'ulo-nkpọrọ, ma ayi ejeregh Gi ozi?**

**"Mgbe ahu Ọ gāza ha, si, N'ezie asim unu, ka ọ ra, bú otú unu nēmegh ya nye otù onye nime ndia dikarisiri ntà, Mu ka unu nēmegh ya nye.**

**"Ndia gāpu je ba n'ahuhu-nmehie ebigh-ebi: ma ndi ezi omume gābà ná ndu ebigh-ebi" (Matiu 25:31-46).**

Mgbe Mkpughe nke Kraist gaagasiworị, mgbe aga alụsiwokwarị óké ọ̀gụ̀ ahụ nke Ha-Magedon rue ná mmeri zuruòkè nke agaemeri ndị niile biliri megide Kraist na ụ̀sụ̀ ndị agha nke Eluigwe, ihe ọzọ nke gaeso nime usoro nke ihe gaeme nime àtụ̀màtụ̀ nke Chineke nye ọgbọ niile gaabụ iguzobe Alaeze Kraist n'eluụwa. Anaakpọ Alaeze nka Ọchịchị nke Otù Puku Arọ, maọbụ Ọgbọ Ọlaedo ahụ. Ogologo ya bụ puku arọ, ọ gaabụ kwa oge nke óké ọñụ, nke kachasị nye ndị agbapụtara n'ihi na agaewepụ ọbụbụọnụ, agaeké kwa ekwensu agbụ. Ọ gaghị enwe kwa ike iduhie mba dị icheiche ọzọ rue mgbe otù puku arọ ahụ gwụsịrị, ọ gaabụ oge agaekpe ikpé ziriezi. Ikpé a, nke Kraist bụ Onye isi ikpe ya na ndị nsọ Ya ndị meririemeri ndị enwere ike ikpọ "Òtù-nnọkọ ndi-ikpe," bụ́ ihe anaakpọ ikpé nke Mba niile.

## Ikpé dị icheiche nime Àtụ̀màtụ̀ nke Chineke

Okwu nkọwa a nke bụ́ "ikpé nke madu nile" bụ ihe nke anaagaghị ahụ nime Akwụkwọ Nsọ. Ojiji nke ụfọdụ mmadụ naeji ya kwue okwu emewo ka óké nghọtaghie dị wee lụpụta kwa nkwenye n'ozízí ụfọdụ nke naemegide

ihe Baịbụl naakụzi. Ma ọ dị ụzọ agaesi ji ya kwue okwu ka o wee bụrụ otú o kwesịrị. Ikpé nke Chineke dịrị mmadụ niile n'ihi na agaekpe mmadụ niile ikpé (Ndi Rom 14:10; II Ndi Kọrint 5:10), ma ọ bụghị na agaekpe mmadụ niile ikpé n'otù oge.

Ọ bụghị ihe dakọtaraadọkọta nime ntụgharị uche ịsị na ndịnsọ ahụ ewegara n'Oriri nke Ọlụlụ nwunye nke Nwaatụrụ ahụ, na ndị nsọ ahụ nke naesi n'Óké Mkpagbu ahụ pụta ndị emekwara ka ha si n'ọnwụ bilie ná MkpugheYa, bụ́ ndị naeyikwasị kwa arụ ebube wee soro Kraist nọdu n'oche ikpé, na ha gaeso ndị naeme ajọ ihe, ndị ogbu mmadụ, ndị naemerụ mmadụ, ndị naañụbiga manya ókè, ndị ụgha niile, na ndị niile naeme ajọ omume wee guzo ka ekpe ha ikpé. Agaghị ekpe ndị nsọ ahụ ndị soro ná Mbiliten'ọnwụ nke Mbụ ikpé n'iru Óké Ocheeze Ikpé ahụ dị Ọcha. Ụfọdụ naezi, site n'ezi ihe nkwagide nke sitere na Baịbụl Nsọ na ndị nsọ a gaabụ ndị gaanọ n'oche ikpé, ha na Kraist n'Óké Ocheeze Ikpé ahụ dị Ọcha, ikpé ndị mmehie niile nke gaabịa n'ebe ahụ ikpé. Ya mere, anyị gaahụ na ndị ahụ kwere ekwe ndị emeworo ka ha si n'ọnwụ bilie maọbụ ndị ewepụrụ na nzuzo, ndị soro Kraist nọdụ n'ocheeze na n'oche ikpé dị icheiche na n'ike bụ ndị ekpewororị ikpé n'oge garaaga tutu ikpé nke Óké Ocheeze ahụ dị Ọcha.

Anaekpé ma ndị kwere ekwe, ma ndị mmehie ikpé nime Kraist. Mgbe Kraist nwụrụ, O buuru ahụhụ nke mmehie nke onye ọ bụla n'Onweya. Mgbe emetụrụ Ọbara Ya n'obi ọ bụla, mgbe asachapụrụ mmehie niile nke onye ahụ, ọ dịghị kwa ikpé agaekpé onye ahụ ọzọ (I Timọti 5:24). Kraist ebupụwo mmehie niile ya. Akwụrụ ụgwọ nke mgbapụta ha n'ọnwụ Kraist, ebe ọ bụ na Kraist ahụwo ahụhụ nke mmehie nke anyị niile. Ka oge ra kwa onye Kraist ahụ amụrụ ọhụụ naanọgide n'Ọbara Kraist, naalaghachịghị àzụ́ ná mmehie, o nwere onweya pụọ n'ọmụmaikpé, (Ndi Rom 8:1). (Gụọ kwa Jọn 5:24; 3:17-19, naebu n'uche na ezi ntụgharị nke okwu ndịa bụ́ **ịmaikpé** na **amamikpé** nime Akwụkwọ Nsọ ọtụtụ mgbe pụtara ikpéikpé maọbụ ikpé.)

**"Ma mgbe ha nānu ihe ndia, Ọ tukwasi otù ilu, n'ihi na Ọ nọ Jerusalem nso, na n'ihi na ha nēche na ala-eze Chineke gaje iputa ìhè ngwa ngwa.**

**"Ya mere Ọ siri, Otù nwoke amazuru aha-ya gara ala di anya, inara ala-eze nye onwe-ya, na ilaghachi.**

**"Ọ we kpọ madu iri nime ndi-orù-ya, nye ha ọgu pound abua na iri, si ha, Zuanu ahia rue mgbe m'gabia.**

**"Ma ndi-obodo-ya kpọrọ ya asì, ha zie ndi-ozi ga n'àzú ya, si, ayi achọgh ka nwoke a buru eze-ayi.**

**"O we rue, mgbe ọ laghachiri ọzọ, mgbe ọ natasiri ala-eze-ya, na ọ siri ka akpọ ndi-orù ahu, ndi ọ nyereri ego ahu, ka ha biakute ya, ka ọ we mara ihe ha zutarari n'ahia.**

**"Onye mbu we bia n'iru ya, si Onye-nwe-ayi, pound ise nke gi abawo urù ọgu pound abua na iri.**

**"Ọ we si ya, i mere nke-ọma, ezi orù, n'ihi na ahuru na i kwesiri ka atukwasi gi obi n'ihe dikarisiri ntà, gi buru onye nāchi obodo iri.**

**"Nke-abua we bia, si Onye-nwe-ayi, pound ise nke gi abawo urù orú pound na ise.**

**"Ọ we si kwa nwoke a gi onwe-gi buru kwa onye-isi nke obodo ise.**

**"Orù nke di iche we bia, si, Onye-nwe-ayi, Le pound ise nke gi, nke m'debere n'ákwà: "N'ihi na aturum gi egwù, n'ihi na I bu onye aka ike; I nēweli ihe I nātọgbọghiri, I nēwe kwa ihe i nāghaghiri.**

**"Ọ si ya, M'gēsite n'ọnu nke gi kpe gi ikpé, ajọ orù. I mara na mu onwem bu onye aka ike, nēweli ihe m'nātọgbọghiri, nēwe kwa ihe m'nāghaghiri,**

**"N'ihi gini kwa ka i nējigh were egom nye ndi nāgbanwe ego, mu onwem gānara kwa ya ná uma mgbe m'biara?**

**"Ọ we si ndi guzoro nso, napunu ya pound ise ahu, were ha nye onye nwere ọgu pound abua na iri ahu.**

**"(Ha we si ya Onye-nwe-ayi, ọ nwere ọgu pound abua na iri).**

**"Asim unu, na onye ọ bula nke nwere ka agēnye; ma onye nēnwegh, ọbuná ihe o nwere ka agānapu ya.**

**"Otú ọ di, ndi-irom ndia, ndi nāchọgh ka m'buru eze-ha, kuta ha n'ebe a, gbue ha n'irum" (Luk 19:11-27).**

Agaenwe ikpé nke ndị nsọ nke gaadị dịka ọlụ ha si dị. Ọ dịghị mkpà na nka gaeme n'elu ụwa nka. O nwere ike bụrụ otù nime óké ihe nke gaeme n'oge Nrianyasị nke Ọlụlụnwunye nke Nwaatụrụ, n'ihi na ndịnsọ gaeso Kraist laghachị n'ụdị dị ebube. Ọ dị ka Akwụkwọ Nsọ naachọ igosi na ha gaabụworị ndị eyikwasịworo ike. Agaenye ha ọtụtụ ebe nke ha gaelekọta n'oge ọchịchị nke Otù Puku Arọ nke Kraist (I Ndi Tesalọnaika 4:13-18; II Ndi Tesalọnaika 1:6-10; Nkpughe 5:9, 10; 19:11-16). Ikpé nke mmehie nke ndịnsọ ndịa nke agbaghaworo abụrụwo ihe gabigara agabiga. Ikpé ahụ dịka anyị hụworo, bụ ihe ekpere na Kalvarị (Ndi Hibru 9:28). Inye ndị nsọ ụgwọọlụ dị icheiche n'ihi ezi ọlụ ha na omume ha gaeme tutu oge nke "Oche Ikpé Kraist," naarụghị ụkà, ọ gaabụ n'oge Nrianyasị Ọlụlụ Nwunye nke Nwaatụrụ.

Mba niile dị icheiche nke ụwa ndị nọ n'elu ụwa n'oge Mkpughe nke Kraist, ndị anaalaghị n'iyi site n'onwunwu nke ìhè nke Kraist n'ọbịbịa Ya, dịka otú ndị ahụ biliri imegide Ya siri wee laa n'iyi, ka agaekpe ikpé n'oge ọchịhcị ahụ nke Otù Puku Arọ, nkekanke nye mba niile ahụ ndị gaadị ndụ n'oge ahụ bụ ndị naabụghị NdịKraist, ka ọ gaabụrụ oge nke ikpé n'usoro n'usoro naenwepụghị aka (Nkpughe 2:27; 19:15). Kraist bụ Onye ikpé nke ndị dị ndụ na ndị nwụrụanwụ (Ọlu Ndi-ozi 10:42; II Timọti 4:1; I Pita 1:3-5). Nzukọ Kraist, maọbụ ndịnsọ meririemeri, ndị ewepụrụ ná Nwelikọ nke ndị Nsọ, gaesoro Kraist bịa ikpé ụwa maọbụ mba dị icheiche ndị nọ ndụ n'oge ahụ ikpé (I Ndi Kọrint 6:2; Jud 14, 15; Matiu 13:40-43). Nka bụ ikpé nke ndị dị ndụ n'elu ụwa. Ndịozi gaanọ n'oche eze dị icheiche naekpe ebo iri na abụọ nke Israel ikpé.

> **"Ma unu onwe-unu bu ndi soworom n'ọnwunwam nile;**
>
> **"Mu onwem nāgba kwa ndu inye unu ala-eze, dika Nnam gbara ndu inyem,**
>
> **"Ka unu we rie ñu kwa na table nkem n'ala-ezem, unu gānọkwasi kwa n'oche-eze nēkpe ebo iri na abua nke Israel ikpé" (Luk 22:28-30).**

Ndị niile ahụ nke bụ ndị egburuegbu n'agha nke Ha-Magedon, na ndị niile nwụrụ mgbe nka gasịrị, bú ndị anaazọpụtaghị, gaeguzo n'iru Óké Ocheeze Ọcha ahụ ha na ndịọzọ niile, ma ndị dị ndụ ma ndị nwụrụanwụ nke ọgbọ niile bú ndị anaekpebeghị ikpé rue oge ahụ nke ikpé ikpéazụ́. Ma Ikpé nke Mba niile dị iche n'ebe Ikpé nke Óké Ocheeze ahụ dị Ọcha dị n'ihi na ọ bụ ikpé nke agaekpe naaga n'iru n'ogologo oge nke ọchịchị nke otù puku arọ, ọ bụghị kwa otù nchabi ikpé dịka nke Óké Ocheeze Ọcha ahụ.

**Ihe Ụfọdụ Dị iche N'etiti Ikpé Chineke na Usoro Ikpé nke Mmadụ**

N'ọchịchị nke anyị n'ụbọchị taa anyị nwere ọtụtụ ụlọ ikpé nke naahụ ihe banyere ngalaba na ụdị ikpé dị icheiche. Mmadụ nwere ike ịbịa n'ụlọ ikpé n'ihi ọtụtụ ụzọ ihe dị icheiche. O nwere ike ijé chọpụta ihe kwesịrị ekwesị n'iwu, ka o wee mata ihe niile nke kwesịrị ka o mee n'okpuru iwu ahụ, maọbụ ka o wee lee ịdị ike nke iwu ahụ maka ọ dị mma nke ndịọzọ. Enwere ike kpọọ ya n'ụlọ ikpé ka ọ bịa zaa ajụjụ banyere okwu enwere megide ya ma ọ bụrụ na o nwere ụzọ ọ bụla o siri jehie maọbụ mee ihe jọrọ njọ. Nime nnọkọ ikpé ndịa dị icheiche enwere ike gbubie ikpé megide ya, gwa ya ka ọ kwụa ego, taa ya ahụhụ, dụọ ya ọdụ, maọbụ gwa ya na o mere nkeọma, dịka ụdị ebubo ahụ maọbụ nzube ahụ nke mere ka ọ bịa n'iru ikpé ahụ si dị.

Enwekwara ọtụtụ ụlọ ikpé nwere ike ịhụ ihe banyere ndụ na ọnwụ nke ndị eboro ebubo nke óké ihe ọjọọ. Ụlọ ikpé ndịa dị icheiche nwere ike ikwu okwu nke gaeme ka mmadụ ghara ịbụ onye nwere onweya na kwa onye nke gaadị ndụ ọzọ, ma ọ bụrụ na ha chọrọ ka ọ dị otù ahụ. Mgbe ekpebiri ụdị ikpé dị otú a, ọ naabụ ọgwụgwụ ya, ebe ọ bụ na ewepụwo ndụ ahụ mee kwa ka mba ahụ pụọ n'egwù niile nke inwe mmekọrịta n'ebe onye ahụ naenweghị nsọpụrụ n'ebe ndịọzọ nọ, wee wepụ ndụ onye ọzọ n'ụzọ megidere iwu.

Ọ bụ otú a ka ọ dịkwa n'usoro ikpé nke Chineke, ma ikpé nke Chineke dị ukwuu karịa. Agaenwe ikpé nke gaadịrị ndị kwere ekwe nke agaájá mmadụ nime ha n'ihi ime nkeọma, agaenye kwa ụgwọọlụ, nye kwa ike ọchịchị dịka ọ̀tụ̀tụ̀ nke ọlụ na ijéozi nke onye nsọ ahụ si dị nke o jere n'elu ụwa nka (II Timọti 4:8). Ma ikpé gaadị kwa nke ọbụ nime ya ka agaámá ọtụtụ mmadụ ikpé nke ịta ahụhụ.

Ụmụmmadụ naahụ ahụhụ n'ihi ajọ omume ha mgbe ha nọ ndụ, rue ogologo oge ahụ akàràákà ewee kwụsị. Nka bụ ikpé ebere, ka anyị kwue otú ahụ, n'oge nke onye ọ bụla nime anyị dị ndụ. Chineke naemeso anyị ma ọ bụrụ na anyị ejehie iji wee zi anyị ụzọ anyị siri jehie, site kwa n'ụzọ dị otú a ka O ji naachọ ka anyị laghachịkute Ya. Ọ naeji ụdọ nke ịhụn'anya naadọrọ anyị site n'ime ka anyị hụ ahụhụ dịka ụzọ nke anyị gaesite na ya laghachịkụte Ya mgbe anyị kpafuru n'èchìchè anyị. Ebere dị n'ụdị ikpé dị otú a ekpebiri ngwangwa.

Ma ikpé ekpere ọsọsọ agaghị egbochị ikpé nke ikpéazụ́ nke naabịa (Ndi Hibru 9:27). Chineke nwere ike ime ka mmadụ ọ bụla baa n'ikpé n'ihi mmehie ya nke ọ naechègharịghị nime ya na nke anaagbagharaghị ya. Nka gaeme n'ọgwụgwụ nke ọchịchị nke Otù Puku Arọ, ọ bụ kwa ihe amatara dịka Ikpé nke Óké Ocheeze Ọcha ahụ, nke anyị kwuworo okwu banyere ya nime iheọ̀mụ̀mụ̀ a. Akụziri ihe banyere ya n'ọtụtụ ebe nime Akwụkwọ Nsọ.

N’etiti Mkpughe nke Kraist na Ikpé nke Óké Ocheeze Ọcha ahụ nime oge nke ọchịchị nke Otù Puku Arọ ahụ, ikpé nke mba niile ndị nọ ndụ n’oge ahụ gaadị. Ikpé nka nwere otú o si yie ụdị ọtụtụ usoro ikpé nke anaekpe n’ọchịchị obodo nime ndụ nke anyị n’ụwa nka kwa ụbọchị.

**Ikpé nke Mba Niile Ndị Dị Ndụ**

**“M’we hu mọ-ozi ka ọ nēsi n’elu-igwe ridata, nēji nkpisi-ugodi nke abyss ahu n’aka-ya, ya na óké nkpọrọ.**

**“Ọ we jide dragon ahu, bú agwọ ochie ahu, onye bú Ekwensu na Setan, ọ we ke ya agbu nnù arọ abua na ọgu iri,**

**“We tuba ya nime abyss ahu, mechie ya, ka kwa ya akàrà n’elu ya, ka ọ we ghara iduhie mba nile ọzọ, rue mgbe nnù arọ abua na ọgu iri gāgwusi: mgbe arọ ndia gasiri aghagh itọpu ya nwa oge.**

**“M’we hu oche-eze, ha we nọkwasi ha, ewe nye ha ikpé: m’we hu nkpuru-obi nke ndi ebipuru isi n’ihi àmà Jisus, na n’ihi okwu Chineke, ndi ahu nọ kwa, bú ndi nākpọgh isi ala nye anu-ọhia ahu, ma-ọbu ihe-oyiyi-ya, ndi nānatagh kwa akàrà ya n’egedege-iru-ha na n’aka-ha; ha we di ndu, so kwa Kraist buru eze nnù arọ abua na ọgu iri.**

**“Ndi fọduru n’etiti ndi nwuru anwu adigh ndu rue mgbe nnù arọ abua na ọgu iri ahu gāgwusi. Nka bu nbilite-n’ọnwu mbu.**

**“Ngọzi nādiri ya, ọ di kwa nsọ, bú onye nwere òkè nime nbilite-n’ọnwu mbu ahu: ọnwu nke abua ahu enwegh ike n’ebe ndia nọ kama ha gābu ndi-nchu-àjà nke Chineke na nke Kraist, ha gēso kwa Ya buru eze nnù arọ abua na ọgu iri ahu” (Nkpughe 20:1-6).**

Ịmamma nke òkìkè mbụ nke ụwa nka, nke ahụ etufuru n’oge nke ọdịda ahụ, bụ ihe ana agaghị ahụ́ kwa ọzọ tutu rue ná “mputa-ìhè nke umu Chineke” -- mbiliten’ọnwụ nke ndịnsọ ịbà n’ọnọdụ dị ebube. Mgbe ahụ ka agaanapụta ụwa n’ọbụbụọnụ nke mmehie, ụwa niile ga-aghọ kwa Paradais.

Agaeke Ekwensu agbụ wee tụba ya nime abyss (olulu nke naenweghị njedebe) rue otù puku arọ, ọ gaghị enwe kwa ike ịnwa maọbụ iduhie ndị nọ n’ụwa n’ogologo oge ahụ niile (Nkpughe 20:1-3). Kraist gaeji mkpàn’aka nke igwè wee chịa mba niile; ma otú ọ dị, ọ gaabụ n’ezi omume nke ikpé ziriezi (Ọlu Ndi-ozi 17:31; Nkpughe 19:15). Ma ọ bụrụ na ụmụmmadụ site ná nrọrọ nke onweha na omume nke onweha, gaenupụisi, agaekpe ha ikpé taa kwa ha ahụhụ (Aisaia 28:17). Ụdị ike ahụ bụ ụdị ike nke onye ikpé nwere n’ebe usoro ụlọikpé nke ọchịchị obodo anyị dị n’ụbọchị taa, otú ahụ ka ọ gaadị kwa n’oge ọchịchị Nke Udo ahụ, na Kraist gaabụ Onye ikpé niile dị n’aka Ya n’ọchịchị nke ịnke Chineke nke ụbọchị ahụ.

Nka gaabụ nke mbụ site n’oge mmadụ dapụrụ, na mmadụ gaanọ n’ụwa naenweghị ọnwụnwa site n’aka Ekwensu, onye naejegharị ebe niile ugbu a dịka ọdụm nke naagbọ ụja “nāchọ onye ọ gēlomi” (I Pita 5:8). Ikpé naezighị ezi agaghị adị kwa ọzọ, n’ihi na ọchịchị nke Kraist gaabụ nke ziriezi na nke eziomume (Jeremaia 23:5, 6). Ndị ọgaranya agaghị eji nnukwu ego ha megbue ndị ogbenye, n’ihi na ikpé ziriezi gaesi kwa na Jerusalem pụta (Maika 4:1-4). Mmadụ gaanọ n’udo na n’ezi nchebe (Ezikiel 34:25). Nka gaabụ otù ụbọchị ogologo nke ikpé naewepụghị aka, nke irubeisi nye Onyeikpé ahụ dị ndụ nke gaekpe ndị dị ndụ na ndi nwụrụanwụ ikpé (Ndi Rom 14:10).

**“Ọ gēru kwa, n’ubọchi ahu, (ubọchi Onye-nwe-ayi), na nkpọrọgwu Jesi, nke nēguzo ibu ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ ndi nile di iche iche, ya ka mba nile gāju ase, ebe izu ike ya gābu kwa ebube.**

**“Ọ gēru kwa, n’ubọchi ahu, Onye-nwe-ayi gēseti kwa aka-Ya ọzọ nke ugbò abua inweta ndi-Ya fọduru, bú ndi gāfọdu, site n’Asiria, site kwa n’Ijipt, site kwa na Patros, site kwa na Kush, site kwa n’Ilam, site kwa na Shaina, site kwa na Hemat, site kwa n’agwe-etiti nke óké osimiri.**

**“Ọ gēbuli-kwa-ra mba nile ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀, we chikọta ndi Israel achupuru achupu, ndi Juda gbasara agbasa ka ọ gēsi na nkuku anọ nke uwa kpọkọputa kwa.**

**“Ekworo nke Efraim gēwezuga kwa onwe-ya, agebipu kwa ndi nākpagbu Juda: Efraim agagh-ekwoso Juda ekworo, Juda agagh-akpagbu kwa Efraim.**

**“Ha gēfedakwasi n’ubu ndi Filistia n’Ọdida-anyanwu; ha abua gādi n’otù luta ihe umu iru anyanwu n’agha: n’aru Edom na Moab ka ha ganēseti aka-ha; umu Amon ganānu kwa olu-ha.**

**“JEHOVA gēwezuga ire óké osimiri nke Ijipt ka ebibie ya: Ọ gēji kwa okpom-ọku nke ifufe-Ya feghari aka-Ya n’elu osimiri, tiputa ya iyi asa, me ka madu zọ ya ukwu n’akpukpọ-ukwu.**

**“Uzọ atuliri atuli gādi-kwara ndi-Ya fọduru, bù ndi gāfọdu, site n’Asiria; dika o si diri Israel n’ubọchi o siri n’ala Ijipt rigoputa” (Aisaia 11:10-16).**

Ọ bụ ihe dị mfe ịhụ ụdị iziezi na eziomume nke ụzọ dị ebube nke Chineke mgbe anyị naele anya n’Okwu Ya nke ekpughere ọbụná site n’anya nke ebere, ịhụn’anya, na ikpé ziriezi nke mmadu efu nke anyị bụ. Ọ bụrụ na “JEHOVA adịgh-ewe iwe ọsọsọ, Ọ di kwa uku n’ike, ma ọ digh uzọ ọ bula ọ gāgu ndi ikpé mara na ha bu ndi ikpé nāmagh,” ọ bụrụ na Ya Onweya “N’óké ikuku na n’óké ifufe ka uzọ-Ya di, (Ọ buru na) igwe-oji bu kwa ájá ukwu-Ya abua” (Nehum 1:3), mgbe ahụ anyị gaamata na n’oge ahụ nke otù puku arọ mgbe agaeke Ekwensu agbụ Kraist ewee naachị n’elu ụwa nka, Ọ gaeme dịka iziezi na ụzọ nke eziomume Ya si dị. Iringo, ịñụiyi ụgha, ịtụgharị akwụkwọ nke ulo ikpé n’ụzọ aghụghọ mbibi nke ihe akaebe nke onye mere ihe arụ, ịtụgharị ikpé, ndahie nime nlekọta maọbụ ọtụtụ ihe ndịọzọ nke mmadụ naahụ ahụhụ n’ihi ya ugbu a, agaghị adị kwa ọzọ.

**“N’ihi nka Chineke weli-kwa-ra Ya elu nke-uku (Jisus), were kwa amara nye Ya aha ahu nke kariri aha nile ọ bula elu;**

**“Ka ọ gābu n’aha Jisus ka ikperè nile we gbue n’ala, nke ihe nile di n’elu-igwe na ihe nile di n’elu-uwa na ihe nile di n’okpuru ala;**

**“Ka ire nile ọ bula we kwuputa kwa na Jisus Kraist bu Onye-nwe-ayi, ka ewe nye Chineke, bú Nna, otuto” (Ndi Filipai 2:9-11).**

Kraist bụ Onyeikpé ziriezi, gaabụ Onye nwere ike niile (Zekaraia 14:9). Ọ gaamata ihe nzuzo niile nke mmadụ (Ndi Rom 2:16). Ọ gaekpe ikpé n’eziomume (Ọlu Ndi-ozi 17:31). Ọ gaahụ ihe banyere ikpé niile (Aisaia 45:23; Jọn 5:22; Ndi Rom 14:10-12; Ndi Filipai 2:10). Ọ gaenye ndị eziomume ụgwọọlụ dị icheiche (Abù Ọma 58:11). Mmadụ niile gaamata usoro nke iwu ahụ nke esiterer na ha naekpe ha ikpé, n’ihi na iwu ndị ahụ gaabụ Okwu nke Chineke (Abù Ọma 96:13; Aisaia 2:2-4; Zekaraia 14:16-29). (Ọ bụ n’Ememe nke Ụlọntu ka Ndị Israel mụtara nnọọ iwu nke Chineke).

Nka bụ oge nke anyị purụ iji ọñụ naele anya ya, ọ bụghị kwa n’ịkwa ụta. Ọ bụ oge nke ihe ekèrèèkè naasụ udè n’ihi ya, bụrụ kwa oge nke mkpụrụobi naechesi ike, ọ bụ ezie na ha amataghị ihe ọ bụ nke ha naejisi ike, naagbalị, naalụ kwa ọlụ n’ihi ya (Ndi Rom 8:18-23). Ọ gaabụ oge dị ebube nyue ndịnsọ nke Chineke ndị gaesi n’ọnwụ bilie (Aisaia 35:1-10; 65:25). Ha gaenwe arụ ọhụụ -- arụ ebube. Arụ ochie ahụ nke matara ọrịa, ihemgbu, ọdịda, na adịghị ike gaabụ ihe gabigara agabiga. Ha gaadị ka Eze ha, n’ihi na n’oge ahụ ka agaahụ Onyenweanyị na Onye nzọpụta anyị iru na iru, anyị gaamata kwa dịka amazukwara anyị (I Ndi Kọrint 13:9-12; I Jọn 3:23; Ndi Rom 8:18-23).